
# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 17TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR B)

## SUNDAY, JULY 28, 2024

**HYMNS:**



| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **K'ANYI JEE N'ULO CHUKWU** |
| **OFFERTORY:** | **ONYINYE OMA/CHINEKE ONYEOMA** |
| **CONSECRATION:** | **OCEAN OF MERCY** |
| **COMMUNION:** | **UCHE CHUKWU** |
| **POST COMMUNION:** | **BIKO NNA KPOCHIGHAA HA** |
| **DISMISSAL:** | **VIRGIN NNE DI NSO** |

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo nke Ndi Eze 4:42-44**

***Isi Okwu: Ha ga-eri ya, rijukwuaa afo***

Otu nwoke si Baal-shalisha bia. O were iri ogbe achicha abuo si na mkpuru mbu nke oka ohuru ya, wetara onye nke Chineke Ilisha. Ilisha asi: "Nye ya ndi mmadu a ka ha rie. Mana nwodibo ya juru aju si: "Kedu ka m si enye nari mmadu nwa ihe ntakiri a"? Ma Ilisha zara si ya: "Nye ya ndi mmadu a ka ha rie. N'ihi na, lee ihe Onyenweanyi kwuru: "Ha ga-eri ya, biakwa rifo ya erifoo." Mgbe ha rijuchara afo, e nwekwara nke e riforo erifo, dika Onyenweanyi si kwuo.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA 144: 10-11, 15-18. Az 16**

***Aziza: Aka Onyenweanyi na-azu anyi. O na-egboro anyi mkpa anyi nile.***

1. Onyenweanyi, ka oru aka Gi nile kelee Gi. Ka ndi kwere na Gi gozie Gi. Ha ga-ako akuko ebube nke alaeze Gi, biakwa ne-ekwuputa ike Gi. ***Aziza***
2. Anya dum ji ntukwasa obi na-ele Gi. O bu Gi na-enye ihe o bula nri ya na mgbe ya. O bu Gi na-asaghe aka were nye ihe o bula di ndu afo ojuju***. Aziza***
3. Onyenweanyi ziri ezi n'uzo Y anile. Oru Ya dum dikwa aso. Onyenweanyi no ndi na-akpoku Yan so. O no ndi ji ezi okwu na-akpoku Ya nso. ***Aziza***

**IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degaara ndi**

**Efesos 4: 1-6**

***Isi Okwu: Otu ahu, Otu Onyenweanyi, otu okwukwe otu mmirichukwu***

Mu onwe m bu onye a turu mkporo n'ihi Onyenweanyi, na-ario unu, ka unu chegharia, di ndu kwesiri okpukpo Chineke kporo unu. Dinu ume ala, dikwanu nwayoo. Nweenu ogologo ntachi obi; werenu ihunanya na-edi ihe ibe unu mere unu. Gbaanu mbo mee ka idi n'otu ahu Mmuo Nso na-enye gbaa mgborogwu, site n'inwe obi udo nke bu ihe na-ekekota mmadu na ibe ya. E nwere otu ahu na otu Mmuo, otu e siri nwee otu nchekwube e nyere unu nile bu ndi Chineke kporo oku. O di otu Onyenweanyi, na otu okwukwe na otu mmirichukwu. O dikwa otu Chineke na Nna mmadu nile, Onye bu isi na Onyenwe ihe dum, Onye no n'ime ihe dum biakwa si n'ihe dum na-aru oru.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**

Aleluya, aleluya!! Ka Nna Onyenweanyi Jesu Kristi tinye ihe n'anya nke obi anyi. Ka anyi wee hu ka olile anya di n'oku a kporo anyi si buo ibu. Aleluya!!!

**OZIOMA si n'Ozioma di aso nke Jon dere 6:1-15**

***Isi Okwu: Jesu nyere ndi noduru ala ihe ha choro***

Jesu gafere n'akuku nke ozo nke Osimiri Galili, ma o bu Taiberias. Oke igwe mmadu so Ya, n'ihi na ha huru oru iriba ama di iche iche O ruru site n'igwo ndi oria. Jesu rigoro n'elu ugwu, Ya na Umuazu Ya wee nodu ala n'ebe ahu. Emume Ngabiga nke ndi Juu di nso. Mgbe Jesu lepuru anya, hu na oke igwe mmadu na-abiakwute Ya, O wee juo Filip: "Olee ebe anyi ga-azuta nri a ga-enye ndi a ka ha rie?" O kwuru ihe a ka O mata ihe Filip ga-aza. N'ihi na Ya Onwe Ya maara ihe O na-ezube ime. Filip zara si: "Olee otu nke a ga-esi mee? O ga efu ego di ukwuu izuta nri nke onye o bula n'ime ha ga-eritu nani nri ntakiri" Otu onye n'ime ndi Umuazu, nke bu Andru, nwanne Saimon Pita, wee si Ya: "E nwere otu nwantakiri no n'ebe a, onye ji ogbe achicha ise na azu abuo a mikporo amikpo. Ma gini ka nke a bu iji zuo igwe mmadu ha otu a?" Jesu asi ha: "Meenu ka ndi mmadu nodu ala." Ahihia juru n'ebe ahu. Ndi a nile noduru ala. Ha di puku mmadu ise! Jesu naara ogbe achicha ise ahu, nye ekele, wee kesaara ha ndi noduru ala n'ebe ahu. Otu aka ahu kwa ka O si kesaa azu ahu a mikporo amikpo. Onye o bula riri nke o choro. Mgbe ha rijusiri afo, Jesu siri Umuazu Ya: "Kpokotanu iberibe achicha fodurunu, ka a ghara inwe ihe o bula a lara n'iiyi." Ha tutukotara ihe nile fodurunu n'ogbe achicha ise ahu, wee kpojuo nkata iri na abuo. Mgbe ndi mmadu ahu huru ihe iriba-ama nke a Jesu mere, ha siri: "N'ezie, onye a bu Onye Amuma ahu na-abianu n'uwa!" Mgbe Jesu matara na ha na-acho ibia dokpuru Ya n'ike, chie Ya eze, Ogbalara n'ugwu nodu nani Ya.

Ozioma nke Oseburuwa

Otito diri Gi, Kristi.